JW.ORG™
Gaa na www.jw.org/ig danloduo ya

Chineke Chọrọ Inyere Anyị Aka

N'ime ihe ndị a dị ebe a, họrọnụ ndị nke ga-akacha abara nwa unu uru, na ndị nke ga-akacha amasị ya. Unu niile mee ihe ndị e kwuru na ha.

IHE NDỊ UNU GA-EBIPỤTA



IHE EZINỤLỌ GA-AGỤ

AKỤKỌ BAỊBỤL Gụọnụ Katuun E Sere Ese E Ji Akụzi Baịbụl nke "Jekọb na Isọ." Unu gụchaa ya, unu agwa ụmụ unu ndị nke obere ka ha tee foto ndị a kreyọn. Zaanụ ajụjụ atọ dị na ya.

GWAM GWAM GWAM

IKWUSA OZI ỌMA N'ỤWA NIILE Gụọnụ Mkpughe 14:6, 7. Unu gaa n'isimbido jw.org/ig, unu ga-ahụ foto, map, na "Otú Ọrụ Anyị Si Aga" ná mba dị iche iche. Jirinụ ha mee gwam gwam gwam, jirikwanụ ha kụziere ụmụ unu gbasara obodo ndị ọzọ.



IHE E JI ATỤLE VIDIO

KATUUN A NA-ESE NA BỌỌDỤ Leenụ katuun bụ "Otú Ị Ga-esi Emeri Onye Na-achọ Gị Okwu n'Emetụghị Ya Aka." Unu leechaa ya, zaanụ ajụjụ atọ ahụ dị n'ihe e ji atụle vidio.



IHE E JI AMỤ IHE

AJỤJỤ GBASARA BAỊBỤL Gụọnụ Jeremaya 1:6-8. Gazienụ na jw.org/ig n'ebe e dere "Ajụjụ Ndị Mmadụ Na-ajụkarị Gbasara Ndịàmà Jehova." Gwanụ ụmụ unu ka ha họta ajụjụ o yikarịrị ka mmadụ ọ ga-ajụ ha. Unu gụchaa azịza ya, nyerenụ ụmụ unu aka ka ha mara otú ha nwere isi zaa ya n'okwu nke aka ha.

www.jw.org/ig © 2013 Watch Tower Bible and Tract Society of Pennsylvania